

ENYO
ENYO: Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo
Vọl. 5, Nọ.1, 2024
ISSN: 2756-5874

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Vọl 5, Nọ.1, 2024

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Ndị mbipụta: Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Ụlọ ọrụ mbipụta: Besing Books Multipurpose Publications
Website : Myrasoft Systems Ltd. www.myrasoft.com.ng .08062926794

ISSN: 2756-5874
Website: www.enyojonal.com.ng

Ndị mbipụta: Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Vọl 5, Nọ1, 2024

Ozi si n’aka ndị nhazi

*“Enyo Jọnal”* dịka aha ya siri dị bụ nchịkọta edemede ndị e ji agba n’anwụ, asụsụ, omenala na nsirihundụ ndị Igbo. Ọ bụ ndị na-agba mbọ ka asụsụ na omenala Igbo ghara ịnwụ na-esi na jọnal a bụ *“enyo”* edepụta edemede ha n’asụsụ Igbo kpọmkwem iji kwalite asụsụ na ụzọ ndụ ndị Igbo. Jọnal a na-anabata nchọcha ọbụla e demara edema, hazie nke ọma ma bụrụ ọkpọkọpị nke odee.

Odee ọbụla nwere mmasị nwere ike ime nchọcha n’isiokwu ọbụla metụtara asụsụ, omenala, agụmagụ, akụkọala, nsirihundụ, ekpemekpe, ọchịchị obodo, sayensị asụsụ, na ihe ọbụla metụtara ndụ mmadụ.

Ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ede edemede na jọnal a maka inye aka welitekwue ọnụọgụ edemede e ji asụsụ Igbo dee.

Ziga edemede gị na ọwa ududo: enyojonal@gmail.com

maọbụ

theclaudemmadu@yahoo.com , tn.udemmadu@unizik.edu.ng
**ic.isidienu@unizik.edu.ng**

**maọbụ ị kpọọ n’ekwentị 08033027892, 07038296805**

# NDỊ RỤRỤ ỌRỤ ỊHAZI JỌNAL A:

**Onyeisi Nhazi (Chiifu Editọ):**
Prọf. Thecla Ngọzị Udemmadụ

**Ndị Nhazi (Editọ)**
Dkt. Ifeyinwa Cordelia Isidịenu
Dkt. Florence Uju Ibeh

**Ndị Nyere Aka na Nhazi (Asọchiet Editọ)**
Rev. Fada. Dkt. Patrick Ikenna Umezi
Dkt. Ann Chinaza Onyekelu
Dkt. Anthonia Ephraim-Chukwu
Dkt. Onyinye Constance Amamgbo
Dkt. Ethel Odinakachi Orji

## Ndị Ndụmọdụ Pụrụ Iche

**Uchenna Onuzulike, Ph.D.
Associate Professor,
Department of Communications,
Bowie State University,
Maryland, United States**

**Dr. Jude Onyima
Westminster Business School,
University of Westminster, London**

**Prof. Cecilia Eme
Department of Linguistics,
Nnamdi Azikiwe University, Awka**

**Prof. Boniface Mbah
Department of Linguistics, Igbo and other Nigeria Languages,
University of Nigeria, Nsukka**

**Prof. Iwu Ikwubuzo
Department of Igbo, African and Asian Studies,
University of Lagos**

**Jude Chinweuba Asike, Ph.D.
Associate Professor,
Department of Philosophy,
University of Port Harcourt**

# NGOSIPỤTA IRI MPE NKE ALỤMDI NA NWUNYE N'AGỤMAGỤ NDỊ A HỌỌRỌ

## NKE SI N'AKA

**CHINENYE .C. OLEKAIBE Ph.D.**
**FEDERAL UNIVERSITY OF TECHNOLOGY OWERRI**
**olekaibechinenye@gmail.com**

**Ụmịedemede**

Iri mpe nke alụmalụ bụ nsogbu n'ụdị ya oge o sere elu n'ime alụmalụ. Ọtụtụ alụmalụ ka ọ dị taa bụ ihe na-agba aghara n'ihi agwa ndị nọ ya n'ime na-akpa. Agwa ndị a bụ ihe a na-eleghara anya oge ha ji nwayọ na-epulite n'ihi enweghị ihe a kpọrọ ya. Nleghara anya a bụ ihe na-eme ka ihe n'enweghị ghọọ nnukwu ihe bụrụkwa nke nwere ike ime ka alụmalụ daa. ọ bụ ọnọdụ dị otu a bụ ihe mkpali mmụọ odee, o ji chọọ ka ọ mata ihe ndị ahụ na-eme ka alụmalụ riwe mpe. E ji agụmagụ Igbo atọ mee nchọcha a ha bụ *Isi akwụ dara n'ala* nke Tony Ubesie dere, *Adaakụ* nke Mogbogu dere na *Isi kote ebu* nke Fidelis Ihentuge dere. Nchọcha a chọpụtara ọtụtụ ihe na-akpata iri mpe nke alụmalụ, nkenụụdị alụmalụ, etu iri mpe si pụta ihe n'ime agụmagụ ndị a họọrọ, ọghọm na-esi n'ime ya apụta na ihe ndị a ga-eme ka ọnọdụ a dị mma. Odee gakwara n'ihu wee nye ndụmọdụ ka ndị nọ n'ime alụmalụ na-akwanyere onwe ha ugwu na ọ ga na-enye aka ebelata ọtụtụ nsogbu na-adapụta oge ọbụla.

## Ndubata

Omenala bụ ya bụ isi sekpụ ntị na mba niile. O nweghị mba dị n'elu ụwa a enweghị omenala e ji mara ha. Omenala bụ ya mere mba niile ihe ha bụ. Mba ọ bụla n'enweghị omenala abụghị mba, ihe ọ pụtara bụ na onye ọ bụla bi n'ụdị ebe ahụ ga na-eme ihe masịrị ya. Omenaala bụ usoro gbara ọkpụrụkpụ e ji ahazi obodo ka ọ kwụrụ chim ma nwekwa nchekwa tara ọchịchị. Chukwukere (2023) sị na omenaala bụ ihe ọ bụla nke ọhammadụ chepụtara ma na-eme kwamgbe, site n'agbụrụ fere n'agbụrụ. Ọ gakwara n'ihu wee sị na ọ bụ ọdịbendị nke sitere n'emume, echichi, akparamaagwa nakwa mmemme dị icheiche. Nke a dabara n'anya ya n'ihi na n'eziokwu bụ ihe ọha mmadụ kwenyere n'ime ya dịka ụzọ e si echekwa ndụ na ndị nwe ya.

N'aka nke ọzọ, Mbegbu (2002) n'ime Okereke (2022) kwuru na bụ ụzọ niile mmadụ si ebi ndụ. ọ sịkwa na omenala gụnyere nri mmadụ na-eri, ekike mmadụ, ụdị ụlọ mmadụ bi, ụdị asụsụ ọ na-asụ na okpukperechi ya. N'eziokwu, nkọwa nwaamadị a egosila na omenala bụ ihe niile gbasara mmadụ na obibi ndụ ya.

Kalu (1978) hụrụ omenala dịka otu ndị si ebi ndụ ha. ọ sịkwa na ọ bụ ihe a kpachapụrụ anya hazie, wepụta ma nyekwa ọsịsa gbasara ụzọ obibi ndụ ndị nwe ya.

Omego (2006) n'ime Olekaibe (2015) sị na omenala bụ usoro mmadụ kwesịrị isi akpa agwa bụ nke a na-amụta site n'aka ndị mmadụ nọ n'obodo ma nyefekwa ya n'aka ndị na-abịa n'ihu.

N'okwu a, a kpụ n'ọnụ, ndị Igbo sokwa wee keta oke n'ime ya n'ihi na ndị Igbo sokwa na mba gbara ọkpụrụkpụ so wee nwee omenaala kara aka. Omenaala Igbo bụ ọdịbendị ndị Igbo ma bụrụkwa ihe Igbo ji eme ọnụ. Omenaala Igbo gụnyere ihe niile Igbo ji bụrụ ihe ha bụ. Chukwukere (2023) kpọrọ ya omenigbo, wee sị na ọ bụ omenaala ọ bụla nke, a na-ahụ ebe ọ bụla ndị Igbo nọ. ọ gakwara n'ihu wee sị na ọ bụ ihe jikọtara Igbo niile ọnụ. N'ikwu ya n'atụghị ụjọ, omenala Igbo bụ ya bụ isi ihe a na-eme n'ala Igbo niile bụ nke gụnyere; ekike ndị Igbo, asụsụ ha, okpukperechi ha na ụzọ obibi ndụ ha.

Ndị Igbo bụ ndị anaghị eji omenala ha ara pịọm bụkwa nke alụmalụ so n'ime ya. Alụmdi na nwunye bụ omenaala ya na Igbo so wee bido. Alụmdi na nwunye so n'otu omenala Igbo ejighị egwu egwu n'ihi na ọ bụ ya bụ ụzọ pụrụ iche Igbo ji amụba na mmadụ. Nke a sere elu na nke onwe ya n'ihi na ngwangwa nwoke lụrụ nwaanyị dịka omenaala Igbo siri wee kwado, a mụọla ezinaụlọ ọhụrụ. Ihe ọzọ ga-esochi ya bụ ọmụmụ nwa. Alụmalụ bụ ihe ọma nke mmadụ na mmụọ kwadoro bụ ihe mere Chukwu n'onwe ya ji wee sị na onye chọtara nwaanyị, chọtara ezi ihe na ọ ga-anatakwa ngọzi site n'aka Chineke (Proverb 18:22). Alụmdi na nwunye bụ nwoke na nwaanyị ji maka ịhụnaanya dị omimi ha hụrụ onwe ha kwekọrịta ịbịakọta ọnụ bụrụ otu mmadụ dịka omenaala obodo ha si wee kwado ya. Ya bụ na ndị na-aba n'ime alụmalụ ga-ehi aka n'anya n'ihi na ọ bụ nkwenye mmadụ ga-anọ n'ime ya wee ruo ọnwụ. ọ bụghị ihe a na-eji ọsọ amanye n'ime ya. ọ bụ ihe mmadụ ga-anọdụ ala hazie onwe ya nke ọma ma leruo anya ala iji wee mata n'eziokwu ma onye ya chọrọ ịlụ, ma ọ bụ onye ya na ya ga-anọli ogologo ndụ ya niile.

Ndị Igbo sị na ọ bụ "ajụghị ajụ eri butere, arịaghị arịa anwụ". Nke a pụtara na ọ bụ elerughị anya ala, mabanye n'ime alụmalụ bụ ya butere ọtụtụ iri mpe nke a na-ahụ n'ime ọtụtụ alụmalụ ka ọ dị taa.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ nke a kpọrọ *Structural theory of marriage* n'asụsụ Bekee. Atụtụ a bụ nke Gittins hiwere ya n'afọ 1985. Atụtụ a na-akọwa alụmalụ dịka mbịakọtaọnụ nke gbadoro ụkwụ n'ịhụnanya pụrụ iche ma nabata nwoke idina nwaanyị iji gboo mkpa nke anụahụ. Nke a dabara n'okwu a kpụ n'ọnụ n'ihi na isi alụmalụ niile bụ ịhụnanya miri emi nwoke na nwaanyị nwere n'ime onwe ha bụkwa nke kpọkọtara ha ọnụ dịka di na nwunye. ọ bụ ya mere na ha ekwesịghị ikwe ka ọkụ ịhụnanya ha daa ibube, bụkwa nke nwere ike ibutere ha iri mpe nke alụmalụ.

**Nkenụụdị Alụmalụ**

Igbo na-ekwu n'okwu sị na "isi opi bụ tuuu", ya bụ na isi sekpụ ntị nke alụmalụ n'ala Igbo bụ nwa. Omenala anyị adịghị ka nke ndị ọcha bụ ndị ejichaghị nke a wee kpọrọ ihe. Ọ bụ ka ama onye Igbo ghara ichi mere e ji nwee ụdị alụmalụ dị iche iche bụ nke gụnyere:

- **Ndomotudi:** N'ebe a ka otu nwoke nwere ọtụtụ nwaanyị dịka ndị nwunye ya. Nwoke dị etu a ga-ejicha ego lụọ ha niile dịka omenala Igbo si wee kwado. ụmụ niile ụmụ nwaanyị ndị ahụ ga-amụtara ya ga-azacha aha ya mana ọ ga na-elekọtacha ha niile anya nke ọma. Nke a bụ omenala ndị Igbo nabatara nke ọma ma bụrụkwa ihe malitere site na mbụ. N'oge mbụ, ụdị alụmalụ a bụ ihe nwoke ji

akpa nganga n'ihi na ọ bụ otu ụzọ e si ama ọgaranya. N'aka nke ọzọ, ụmụnwaanyị na-anabata ụdị alụmalụ a nke ọma n'ihi na ha chọrọ ịlụ di oke ozu.
ọgbalụ (1979) kwenyere na nke a site n'ikwu na ọtụtụ ụmụnwaanyị Igbo ndị gboo achọghị ka di ha jiri otu nwaanyị. ọ gakwara n'ihu kwuo na ihe kpatara ya bụ na ụmụnwaanyị na-achọ ka oke mmadụ lụọ ha.

- **Dinwaanyị:** Nke a bụ ụdị alụmalụ ọzọ Igbo nabatara site n'ọkpụtụrụọkpụ. Ọ bụ ụdị alụmalụ ebe nwaanyị na-eburu mmanya gaa lụọ nwaanyị ibe ya dịka nwunye. Ụfọdụ ụmụnwaanyị ndị na-eme nke a na-abụkarị ndị di ha nwụrụ anwụ n'amụtaghị nwa n'achọghị ka aha di ha fuo maọbụkwanụ onye chọrọ ịlụtara di ya nwaanyị n'ihi amụtaghị nwa. ọzọ, o nwere ike bụrụ nwaanyị alụghị di nọ n'ụlọ nna ya mana ọ gafeela ịhụ nsọ nwaanyị ya. Nwaanyị dị etu a ga-eburu mmanya gaa lụọ nwaanyị ma kwụọ ụgwọ isi ya dịka omenaala siri kwado mana ihe dị iche bụ na nwaanyị ahụ agaghị edina nwunye ya ahụ n'ihi na ọ bụ nsọala nwaanyị idina nwaanyị ibe ya. Sọọsọ ihe ọ ga-eme bụ ịga kpọtara ya nwoke ga na-atụnye ya ime ka ọ na-amụtara ya nwa maọbụkwanụ nwunye ya ahụ agaa jiri aka ya chọrọ onye ga na-eme nke ahụ mana nwa niile ọ ga-amụta ga-abụ nke nwaanyị ahụ kwụrụ ụgwọ isi ya. Ebe nwaanyị ahụ lụtara ya ga-abụ nna nye ụmụaka niile ọ mụtara ma bụrụkwa di nye ya onwe ya. ọ gakwa na-arụ ọrụ nna na di na-arụ nye ha.

Kevane (2004) n'ime Hleziphi 2014) sịrị na n'ime alụmalụ iri niile e nwere n'ala Afrịka, ise n'ime ha bụ alụmalụ nwaanyị na nwaanyị. ọ gakwara n'ihu sị na site n'ụdị alụmalụ a ka ndị nwaanyị na-esi egosipụta onwe ha n'obodo ma nwekwa agba maọbụ aha dịka ndị nwoke site n'ịza ndị isi ezinaụlọ. Ya bụ na alụmalụ nwaanyị na nwaanyị abụghị ndị Igbo naanị hiwere kama ọ bụ ihe ala ndị isi ojii niile nabatara ma sikwa n'ụzọ dị otu a welite ugwu ndị nwaanyị.

Nwoko (2012) sị na nwaanyị nọ n'ọkwa dị otu a na ndị nwoke ga na-agụrịkọta azụ n'otu ngịga. O kwukwara sị na etiti ndị nwaanyị ibe ya na a ga na-etu ya "Oke nwaanyị" ma na-asọpụrụkwa ya dịka a na-emere nwoke. Ọ tụnyekwara azụ sị na ọgbakọ ụmụnwaanyị ọ bụla, a na-atụ aro na a na-ebu ụzọ anụ ọnụ mmiri okwu ya ma na-ewerekwa okwu ya eme ihe. O mechiri okwu ya site n'ikwu na obodo dịka Ọnịcha na gburugburu ya ebe a na-echi ndị nwoke gbalitere elu echichi dịka ọzọ na a na-echikwa ụdị ụmụnwaanyị ndị dị etu ahụ echichi ọzọ nke ndị nwaanyị a kpọrọ Ekwe.

- **Ọnọchiriụlọ:** N'ụdị alụmalụ a bụ ebe nwoke amụtaghị nwa nwoke ga-ahapụ otu nwa ya nwaanyị n'ụlọ ka ọ hapụ ịlụ di ma nọrọ n'ụlọ nna ya na-amụ nwa n'aha nna ya ka ama nna ya hapụ ichi. Ndị Igbo na-ahụta nwaanyị dị etu ahụ dịka onye bichiri ama nna ya ma bụrụkwa onye ga-ewere ihe niile nna ya nwe oge ọ bụla nna ya nwụrụ. Nwaanyị dị etu ahụ ga-abụ nne na nna nye ụmụ ọ mụtara mgbe ọ bụla nna ya nwụrụ. ọzọ nwaanyị dị otu ahụ ga na-apụ n'ama wee na-amụtara nna ya nwa.
- **Nkuchi Nwaanyị:** N'ụdị alụmalụ a, ọ bụrụ na nwoke anwụọ, nwanne ya nwoke ọzọ dị ndụ ga-akpọrọ nwunye nwanne ya nwụrụ anwụ lụwa ya dịka nwunye. Ndị Igbo na-eme nke a iji nye nwaanyị ahụ nchekwa. Ọ bụrụ n'ala Ngwa tupu mmadụ akụchie nwunye nwanne ya maọbụ nwanna ya, onye ahụ ga-eme ihe a na-akpọ ndọgharị ihu ọgọ. N'ebe a onye na-akụchi nwaanyị ga-akpọrọ ụmụnna ya buru mmanya gaa be ndị ọgọ ya gwa ha ebumnobi ya ma meekwa omenala ya na ya so.

Ngwangwa o mechara nke a, nwaanyị abụrụla nke ya. Ọ bụzighị nke nwanne ya nwụrụ anwụ. Ụmụ nwaanyị ahụ ga-amụtazi n'ihu nke ya, ga-abụzi ụmụ ya, ha ga na-azakwa aha ya ebe ndị nke nwaanyị ahụ mụtara n'ihu nke di ya nke mbụ nwụrụ anwụ ga na-aza aha nke di ya nke mbụ ma ketakwa oke ruuru nna ha nwụrụ anwụ ebe di nne ha nke ọhụrụ ga na-elekọta ha niile anya ma na-azụkwa ha. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na nwanne di ya emeghị ihe ndọgharị ihu ọgọ ma chọọ ịkpọrọ ya ka ya na ya na-emekọ na-amụta nwa, ihe nke ahụ pụtara bụ ilekọtara nwanne ya nwụrụ anwụ nwaanyị ya na ịmụtara nwanne ya nwụrụ anwụ nwa ka ama ya ghara ichi n'ihi na ụmụ niile ha ga-amụ ga-aza aha nwanne ya nwụrụ anwụ bụkwanụ onye kwụrụ ụgwọ isi nwaanyị.

- **Alụnaọnwụ:** Nke a bụ alụmalụ na-adị n'etiti onye dị ndụ na onye nwụrụ anwụ. Ọ bụrụ na nwoke ruru ihe e ji mmadụ eme anwụọ n'alụghị nwaanyị, ndị mụrụ ya nwere ike ịga lụtara ya nwaanyị. Nwaanyị bata, ọ ga na-aza aha ya. Ụmụ niile ọ ga-amụ ga-azakwa aha nwoke ahụ nwụrụ anwụ. A na-eme nke a ka aha na ama onye ahụ ghara ifu. Agbo (2015) sị na ụdị alụmalụ a na-enye ndị nwoke nwụrụ anwụ ohere inwe nwunye na ndị ga-anọchi anya ha n'agbanyeghị na ha anwụọla tupu nke a na-ewere ọnọdụ.
- **Alụmotudi:** ụdị alụmalụ a bụ ebe nwoke na-alụ sọọsọ otu nwaanyị dịka nwunye. Ya na nwunye ya ga-ebigide ruo n'ọnwụ ekewaa ha. Ha ga-enwekwa ụmụ nke aka ha ga-esonyere ha n'ezinaụlọ. Ụdị alụmalụ a kacha ehi odo taa n'ihi na ọtụtụ ụmụnwaanyị gụlitere akwụkwọ anaghịzi ekwe ịbanye n'ime alụmalụ ndị ọzọ.
- **Alụnanwa:** Ụdị alụmalụ a bụ nke a na-alụ nwaanyị oge a mụrụ ya ọhụrụ. Ezinaụlọ chọrọ ịlụ nwata ahụ ga-abịa dọnye mmanya n'isi ya n'aha nwa ha nwoke. Ngwangwa e mere nke a, o nweghịzị onye ọzọ ga-etinye aka n'ebe nwata ahụ nọ ọzọ n'ụzọ ọlụlụ. ọ bụzi onye e ji aha ya dọnye mmanya n'isi ya nwezi nwaanyị. Mgbe ọ bụla ha ruru ihe e ji mmadụ eme, ha alụwa onwe ha. Ka ọ dị n'ala Igbo taa, ụdị alụmalụ a alaala oke azụ. Osuagwu (1979) sị na ụdị alụmalụ a na-anwụ anwụ ugbu a n'ihi ụdị nsogbu na-esi na ya apụta. ọ sịkwa na ụfọdụ oge nwata nwaanyị agaghị enwe mmasị n'ebe nwoke nọ mgbe nwaanyị tozuru ịkwụrụ onwe ya.

**Ihe Bụ Iri Mpe Nke Alụmalụ**

Iri mpe nke alụmalụ bụ oge alụmalụ malitere imebi, oge nsogbu ji nwayọ nwayọ na-abata. ọtụtụ oge ndị nọ n'ime alụmalụ ahụ anaghị achọpụta ọnọdụ a n'oge. Ihe na-ebute nke a bụ na ọtụtụ ihe na-ebute iri mpe a bụ ihe ndị a na-eleghara anya, ya na ihe enweghị ihe a kpọrọ ya, tupu a mata ihe na-emenụ, osisi dị ndụ esila n'ukwu bụrụ. Ọ bụ ya kpatara na onye chọrọ ịbanye n'ime alụmalụ ga-eji etoru etoru iji mara ụkwụ aka nri na aka ekpe ya ọsọọsọ dị n'ime alụmalụ. Maka na ọ bụrụ na a chọpụta n'oge na alụmalụ eriwele mpe gbochie ya, alụmalụ ahụ ga na-agakwa n'ihu ma kwụrụ chịm. Alụmalụ niile ka a tụrụ anya na a ga-enwe ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ abụọ nọ n'ime ya. Otu a ka o kwesịrị ịdị n'ihi na a na-ewukwasa alụmalụ n'elu ịhụnanya. Ọ bụ ya mere o jiri bụrụ nkwekọrịta mmadụ abụọ hụrụ onwe ha n'anya ịbịakọta ọnụ biri dịka iwu siri kwado ya. Mana ọtụtụ oge e kwekata a sị na e kweghizikwa na ihe e kwere na mbụ n'ihi otu ihe maọbụ nke ọzọ. ọ bụ ọnọdụ a na-ebute iri mpe n'ime alụmalụ.

**Ntụle Iri Mpe Nke Alụmalụ N'Agụmagụ Ndị A Họọrọ**

- **Mgbakasịahụ:** Nke a bụ ọnọdụ obi na ahụ akpakọtaghị mmadụ ọnụ, oge ihe a tụghị anya ya buuru oche na ndụ mmadụ. Mgbe ụfọdụ kwa ọ bụrụ oge mmadụ

chọrọ ka ndị ọzọ chaara ya n'ụzọ ka o nwee ike imejupụta ebumnuche ya maọbụ ka ihe ọ na-achọ gaara ya, o buru mgbakasịahụ wụchaa. N'aka nke ọzọ, mgbe ihe bidoro gawa aka ekpe n'ime alụmalụ, ihe mbụ na-esokarị ya bụ mgbakasị ahụ iji gosi na ụbọchị adịghịzi ka a tụrụ anya ya. Ngwangwa ịhụnanya bidoro dawa ibube n'ime alụmalụ, mgbakasịahụ na-esochi ya aka ọkụ. Ya bụ na mgbakasịahụ so na ihe mbụ na-egosi na alụmalụ eriwela mpe.

N'akwụkwọ *Isi Kote Ebu* nke Fidelis Ihentuge dere bụ ebe a kọwapụtara banyere alụmalụ dị n'etiti Osuchukwu na nwunye ya bụ Nkeiru. Mmadụ abụọ a na-ebi n'ịhụnanya na n'ezi alụmalụ kwesịrị ntụkwasị obi. Ọnọdụ a adịla ihe dịka afọ iri na ise wee ruo oge e buliri Osuchukwu elu n'ụlọọrụ ha. Nnukwu ego a mabunyere n'elu ụgwọ ọnwa ya ebidozie na-egbu ya ka mmanya mere o jiri mata na mmadụ nwere ike ịga ụlọ oriri na nkwarị ịga nweta onwe ya. Ọ bụ n'otu ụlọ oriri ya na nwunye ya so gaa ka ọ nọ hụ nwagbọghọ aha ya bụ Ọbịageli mana nwunye ya amaghị mgbe ihe ndị a na-eme. Site n'ụbọchị ahụ ọ hụchara Ọbịageri gawazie ka ọkụ ịhụnanya ya maliere nyụwa n'ebe nwunye ya nọ ma malite nwusiwe ike n'ebe Ọbịageli nọ.

> "Ihe gbasara nwa agbọghọ a na-na-anụzi ya ọkụ n'obi"
> *Isi Kote Ebu* 11

Ọ bụ oke ịnụ ọkụ n'obi a gbasara nwaanyị abụghị nwunye ya mere o jiri bido na-enwe mgbakasịahụ dịka ụzọ isi mee ka nwunye ya nyere ya ohere ka o nwee ike imejupụta ebumnuche ya. N'ebe Nkiru nwunye ya nọ, ọ ma na ihe adịghịzi etu ọ dị na mbụ butere ụdị mgbakasịahụ na agwa ọjọọ a di ya na-akpa mere o ji eze di ya ka esemokwu ghara ịda.

Nkiru na-anwa oke ya ịhụ na di ya adịghị ewe iwe kwa ụbọchị" *Isi Kote Ebu* 22

Mana nke a emeghị ka aka elekere gasie ike n'ihi na onye ara na uche ya so. Ihe di ya bụ Osuchukwu na-eme doro ya anya. Ọzọ n'ihi oke mgbakasịahụ dịka ụzọ ọ chọrọ isi emejupụta ebumnuche ya emeela ka

> ihe niile oriakụ ya na-eme iji mee ka obi dị ya mma
> bụchasi ihe furu ọhịa. *Isi Kote Ebu* 24

Ọzọ n'otu abalị ka Nkiru dịka ezigbo nwaanyị ọ bụ gara meziere di ya akwa ebe ọ ga-ehi ụra, mgbe ọ gwara di ya ka ọ laba gaa hie ụra, Osuchukwu sara ya sị

> Asịrị m gị meziela m akwa? raa ya anya gbachiele
> onwe ya nkịtị *Isi Kote Ebu* 25

Ugbu a ka o doro Nkiru anya na mgbakasịahụ di ya a na ihe so, mere o ji chọwa ịmata ka eke si anya anwụ.

> Gịnị bụ iwe nwoke a *Isi Kote Ebu* 25.

N'aka nke di ya mgbakasịahụ ya bụ ụzọ ọ chọrọ isi mee ka obi jọọ nwunye ya njọ ka o nyere ya efe iji mee ihe obi ya chọrọ.

> N'otu aka ahụ, iwe na-ewekwa Osuchukwu. Iwe na-ewe ya n'ihi na nwunye ya nọchiri ya anya. ọ nọchiri ya anya n'ihi na ọ gaghị enwe ike kpọbata ọbịageli n'ụlọ ya ma Oriakụ ya nọdụ ya. *Isi Kote Ebu* 25.

N'uche nke ya Mogbogu ji akwụkwọ *Adaakụ* gosipụta ebe mgbakasịahụ na-achị eze dịka ihe mbụ gbara ọkpụrụkpụ na-egosi na alụmalụ eriwele mpe. Alụmalụ a bụ nke dị n'etiti Ibekwe na Adaakụ nwunye ya. Alụmdi na nwunye a riri mpe site na mbido alụmalụ ahụ n'ihi na a kwanyere Adaakụ akwanye ka ọ lụọ Ibekwe abụghị obi ya bụkwanụ nke mere ka mgbakasịahụ were ọnọdụ n'ebe Adakụ nọ n'ihi enweghị ịhụnanya n'ebe di ya nọ.

Ibekwe: Nke a bụ ihe m zụtaara gị na njem m gara. (Nyewe ya akwa ahụ) Amara m na ahụ ga-akpụpụcha gị kemgbe m pụrụ. (Adaakụ naara ya akwa kelee ya ma ihu atọghị ya ọchị) *Adaakụ* 48.

Nke a bụ ụdị agwa onye obi adịghị mma na-akpa n'ime alụmalụ ya. O nweghị ihe e mere ya meta ya, ahụ mgbakasị oge niile, ozu nwabekee, e mee ya n'elu mba, e mee ya n'ala mba. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a ka Ibekwe nwetara onwe ya n'ebe alụmalụ ya na Adaakụ dị

Adaakụ: Tichapụ ya aka biko gaa nwụọrọ onwe gị, gị na ego gị ahụ. O nweghị ihe na-eme m. (Ibekwe chọrọ ka o susuo ya ọnụ ma Adaakụ wepụrụ ọnụ sị ya hapụ ya aka. Ibekwe wee were iwe kulie banye n'ime ụlọ) *Adaakụ* 49.

Ihe ọnọdụ a na-eji adị njọ karịa bụ na ọtụtụ oge onye a na-agbakasịrị ahụ anaghị amacha ihe bụ isi okwu n'ihi na obi bụ akpa onye ọ bụla nya nke ya. Ọzọ, alụmalụ mgbakasịahụ dị, udo anaghị adị ya, agamnihu anaghịkwa adị ya n'ihi na mmadụ abụọ nọ n'ime alụmalụ a anaghị atụkọzi uche ọnụ. Ihe ọzọ na-esochi ọnọdụ a abụrụzie ọdịda nke alamalụ.

N'Okwu a kpụ n'ọnụ n'*Isi akwụ dara n'ala* nke Tony Ubesie dere kọwapụtara alụmalụ bụ ị̀gbà dị n'etiti Chike na Ada tupu agha adaa bụkwa nke mebiri ihe niile. Ọ bụ site n'ọnọdụ agha ahụ dowere mmadụ mere alụmalụ Chike na Ada jiri bido riwe mpe n'ihi ụdị mgbakasịahụ Ada webatara n'ime ya maka na ọ bụzi ya na-akpata ihe a na-eri n'ụlọ ahụ.

> Ebe ọ bụ na ọ bụ Ada na-eweta ihe a na-eri, ọ malitere na-eme ka ọ ga-asị na ọ bụkwaghị Chike na-alụ ya, na ọ bụ ya na-alụ Chike *Isi akwụ dara n'ala* 78.

Alụmdi na nwunye Chike na Ada bụbu ihe e ji eme ọnụ bụzi nke na-ama jijiji ugbu a n'ihi na ọkụ achagharịala n'ebe Ada nọ bụzi onye na-eweta ihe oriri ugbu a n'agbanyeghị na ọ bụ di ya Chike nyekwara ya ego o ji malite ịzụ ya bụ ahịa na-ebu ya isi. Ihe ahụ mgbakasịahụ Ada buteere ya ugbu a bụ ịdị na-akparị di ya Chike etu o si masị ya.

Ugbu a, ihe Ada ji akwụ Chike ụgwọ ihe ọma o mere ya bụ inye ya mkparị oge ọ bụla Chike chọrọ ka ọ gwa ya okwu *Isi akwụ dara n'ala* 78.

Nke a gosiri na ngwangwa mgbakasịahụ batara n'ime alụmalụ, ọtụtụ ihe ọjọọ ndị ọzọ na-esochi ya azụ bụ ndị gụnyere, mkpali, enyeghị ugwu na nsọpụrụ dg. N'ebe Chike nọ, ọnọdụ na agwa nwunye ya gbara ya gharị n'ihi na oge Chike ji ego, nwunye ya riri ego ya ma kwete na ya riri akụ di ya. Kedụzi ihe mere ọ ga-eji wee na-akpa ụdị agwa a maka na ọkụ chagharịrị n'ebe ọ nọ, ebe di ya Chike tụrụ anya na nwunye ya riri akụ ya ga-enyere ya aka ugbu a ya ejighịzi.

> N'anya Chike, nke ahụ abụghị oke ihe mmekpa ahụ ugbu a, n'ihi na nwunye ya agaghị anọ na-ele n'anya, agụụ egbuo ya na ụmụaka ya. Mgbe aka nri ji, ọ na-enye aka ekpe.

Ihe Chike na-eche abụghị ihe Ada na-eche n'ihi na iwe na ọnụma bụzi ihe na-eju Ada obi maka nri ọ na-enyezi Chike bụkwa nke mere o ji agbakasara ya ahụ oge niile. ọ naghị ekwe di ya kwupụta okwu ebe ọ nọ tupu o were mkparị saa ya ahụ.

- **Ịtụ Asị**

Ịtụ asị bụ mmadụ ekwughị eziokwu, izonarị mmadụ ihe, ikpuchigide ihe aka, ime ka eziokwu hapụ ịgba ka ọnwa maọbụ mmadụ izonarị onye ya na ya mekọtara ihe obi ya. N'aka nke ọzọ mmadụ ịghọrọ onye ya na ya mekọrọ ihe aghụghọ bụ ịtụ asị n'ihi na ọ gwaghị ya nke bụ eziokwu. Mmadụ nwere ike ịtụ asị site n'okwu ọnụ na site n'omume ya. Ngwangwa ịtụ asị batara n'ime alụmalụ, alụmalụ ahụ eriela mpe. ọtụtụ oge ịtụasị na-

ebute ọgbaaghara, enweghị ntụkwasịobi na agaghị n'ihu nke alụmalụ na ezinaụlọ maka na ozugbo di maọbụ nwunye matara na onye ya na ya bi na-atụrụ ya asị, ntụkwasị obi anyụọla ka ọkụ bụkwa nke ga-eme ka alụmalụ ahụ nwee ntụpọ. Nke a so na ihe na-ebute iri mpe n'ime alụmalụ niile. N'akwụkwọ *Isi kote ebu* ka a hụrụ na ngwangwa Osuchukwu bidoro kpagheriwe agwa ka ọ malitere tụwara nwunye ya asị iji wee kpuchie ihe ọjọọ ndị ọ na-eme.

> Tupu Osuchukwu apụtawa maka egwu a, ọ gwara oriakụ ya bụ Nkiru na ya nwere ọrụ abalị n'ụlọọrụ ha taa. ọ gwara ya na onye nke na-arụbu ya dara ọrịa (*Isi kote ebu* 15)

Ọzọ agwa Osuchukwu dizi egwu ugbu a n'ihi na asị anaghị aga sọọsọ ya. Ọ na-ebu afọ ime, kwọrọ nwa n'azụ ma sekpuru n'aka were na-aga.

> Oriakụ Osuchukwu guzo n'ọnụ ụzọ na-eche di ya kemgbe otu elekere gara aga. Ọ tụrụ ya n'anya na di ya alọtabeghị tutu ruo ihe dịka elekere ise nke ehihie. O sibeghị etu a nọọ ọdụ mbụ n'ụlọọrụ ha *Isi kote ebu* 14

N'eziokwu, ụmụ ntakịrị agwa Osuchukwu na-akpasara nwunye ya ugbu a egosila na alụmalụ ha eriela mpe.

N'akwụkwọ *Adaakụ* ka a hụrụ ebe asị hiri odo n'ụdị ya ọzọ. Nke a mere oge Njoku bịara kpesara Ibekwe banyere nwunye ya Adaakụ bụ onye na-akpọbata enyi ya nwoke n'ime ụlọ di ya ma ọ bụrụ na di ya agaa njem dị anya bụkwanụ nke bụ eziokwu mmiri adịghị. Mana oge di ya na-ajụ ya, ọ sịrị asị wee sị di ya na ya amaghị ihe ọ na-ekwu.

Adakụ: (Na-ekwu ka onye mmiri na-eri) A..a.. ghọtaghị m ihe ị..na..e.e..ekwu o..o.. Onye bụ nwa Udoye ị na-ekwu? Ọ bụ nwoke ka ọ bụ nwaanyị? *Adaakụ* 52

Nke a pụtara na ọ bụghị naanị ụmụnwoke na-atụ asị na alụmalụ, oge ụfọdụkwa ụmụnwaanyị na-emekwa otu ihe ahụ n'agbanyeghị ọghọm nke a na-ebute n'alụmalụ ha.

N'aka nke ya, Ada n'isi akwụ dara n'ala bụkwa onye ọzọ agwa ya gbanwere n'ime alụmalụ ya kemgbe agha dara. Ịtụrụ di ya asị sokwa n'agwa ọhụrụ o webatara. Nke a ka o mere oge ndị amị chụpụrụ ya n'ebe o bi na Nanka. Oge ọ lọtara kama ọ ga-agwa di ya nke bụ eziokwu. ọ tụọrọ ya asị na ya alọghachila ịbụ ezi nwunye ya.

> "Ada gwara Chike na ya alọghachitela ka ha abụọ birikwa ọzọ" *Isi akwụ dara n'ala* 132

N'eziokwu asị na-akwa alụmalụ aka ọjọọ na-akpọlakwa ntụkwasịobi azụ n'ime ya.

- **Mmanye nke ọlụlụ**

Alụmdi na nwunye kwesịrị ịbụ ihe si n'obi were pụta. ọ bụghị ihe a na-amanye mmadụ n'ime ya n'ihi na nwoke na nwaanyị ọ bụla chọrọ ịbanye n'ime ya etoruola ihe e ji mmadụ eme bụkwanụ ndị ma ihe ha chọrọ. Dịka e si gosipụta ya n'ime akwụkwọ *Adaakụ* oge ndị di na-abịara ya. Adaakụ jụrụ ọtụtụ mmadụ n'ihi na ndị na-abịanụ abụghị obi ya.

Emeribe: Nwajimalụ, o doro gị anya na oge ọ bụla ka Adaakụ ji emebọ m n'ihu ndị ọbịa na ụmụnna m n'ihi ịgba nhọ di? ọ jụla Obiọha nwa Eleke, chụfuo Nwachukwu na Nnaji, dulaa Anayọ nwa Okafọ. A ga-agụta ha ọnụ? Ndị a niile bụ ndị okeozu okeozu ndị obodo jiri biri, ndị bụ ide ji obodo anyị a bụ Atiere. *Adaakụ* 12

Nna Adaakụ nwere ụdị mmadụ o bu n'obi ọ chọrọ ka Adaakụ nwa ya lụọ ebe Adaakụ n'onwe ya achọghị ndị nna ya chọrọ. Nke a were na-ebute ezigbo esemookwu n'etiti Adaakụ na nna ya.

Nwajimalụ: Nna anyị, o kwuru na nwoke ahụ erighị ya obi *Adaakụ* 12.

Nke pụtara na Adaakụ chọrọ ilu onye ọ hụrụ n'anya ebe nna ya chọrọ ka ọ lụọ onye ga-eme ya ọgaranya.

N'ụdị ya ọzọ Nne Adaakụ kwenyere na alụmdi na nwunye kwesịrị ịbụ ihe nweere onwe n'ihi na ịbụ mmadụ boro onwe ya anaghị anyịgbu ya.

Nwajimalụ: Nna anyị anụla m ihe niile I kwuru. ọ bụ Adaakụ ji mma, jide ji, onye o benyere o rie n'ihi na ọ bụ n'aka ya ka ihe niile dị. *Adaakụ* 14

Mana mbọ niile Adaakụ gbara enweghị isi n'ihi na nna ya siri ọnwụ na Adaakụ ga-alụrịrị onye ọ chọrọ iji mejupụta ebumnobi ya.

Adakụ: (Na-ebe akwa) Ị maara na kemgbe m gụsịrị akwụkwọ ka nna m ji akwanye m na di *Adaakụ* 20.

Mgbe Adaakụ hụziri na a naghị aga ụzọ aga, ihe o meziri bụ ikwenye na ihe nna ya kwuru wee lụwazie onye obi nna ya nabatara bụ Ibekwe. Ma n'agbanyeghị na o kwetara ịlụ Ibekwe ma ọ maghị uru onye na ọ hụghị n'anya, obi ya na-anabataghị ga-abara ya.

Adakụ: (Na-ekwuru onwe ya) ọ bụrụ na m lụọ nwoke a bụ Ibekwe ugbu a, kedụ uru ọ ga-abara m? Nne na nna m agwala m na ha ga-esi n'aka ya nweta enyemaka. Nke ahụ bụkwa uru ọ ga-abara ha na ụmụnne m ma amataghị m uru ọ ga-abara mụ onwe m. *Adaakụ* 39.

Nke a gosiri na onye a na-akwanye n'ime alụmalụ enweghị uru ọ na-erite n'ime ya n'ihi na ọ na-agakwuru onye obi ya achọghị bụkwa nke mere ka alụmalụ ahụ rie mpe site na mbido.

**Aṅụrụma na Erighị ihe Nwaanyị siri**

Ọtụtụ oge dimkpa ịghọ kama ọ ga-adọ n'ite ya dọrọ n'afọ maọbụ erighị ihe nwunye ya siri bụ alụmalụ adịghị etu o kwesịrị. Mgbe ihe dị etu a dapụtara n'ime alụmalụ ihe ọ pụtara bụ na alụmalụ ahụ eriela mpe maka na ihe mere ede jiri bee nwịm. Oge ụfọdụkwa ihe ndapụta a nwere ike isi n'aka nwoke nwe ụlọ maọbụ nwaanyị.

N'akwụkwọ *isi kote ebu*, omume a sere elu iji gosi na alụmalụ ahụ enweela nsogbu. Nke a pụtara ihe oge Osuchukwu hapụrụ nwunye ya bụ Nkeiru wee malite ịchụgharị nwaanyị ọzọ, agwa dị otu a mere ka o bido ịṅụ oke mmanya nke ọ naghị emebụ.

> Ọbịageli wee chipụta ụfọdụ mmanya ndị ahụ Osii jiri bịa, ha wee kwughee ha, na-awụnye n'afọ (*Isi kote ebu* 34)

Igbo na-ekwu okwu sị na "a mụọ nwa, ya atọta ibe ya". Ya bụ na ihe ọjọọ na-atọ nwa. Oke ịṅụ mmanya a Osuchukwu malitere ịṅụ ugbu a meziri na ọ na-eleghara nwunye ya anya mere na oge ụfọdụ ọ naghịzi enye ya ego nri na-ezuru ya etu ọ na-esi emebụ na mbụ.

> Ego nri Maazị Osuchukwu nyere oriakụ ya maka isi nri n'ọnwa ahụ wee gwụ, ma nwoke a alọtabeghị *Isi kote ebu* 42

Agwa ndị a niile na-egosi iri mpe nke alụmalụ. Ọzọ ọ bụghị na Osuchukwu na-aṅụ oke mmanya, iri nri nwunye ya siri bụzi nsogbu ma ya fọdụzie ịnara ya ihe o ji n'aka itinye n'ọnụ

> O wee sị Nkeiru buru mmiri gị gawa. Achọghị m mmiri ahụ … o wee nuo iko mmiri ahụ aka nke mere na ọ wụfuru n'ala (*Isi kote ebu* 37)

Nke a edoola ewu na ọkụkọ anya na ngwangwa ụdị ọnọdụ a selitere isi n'ime alụmalụ, alụmalụ ahụ amawala jijiji.

**Ndụ anụahụ/ ịkwa iko**

Ndụ anụahụ bụ mmadụ ibi ndụ akwamiiko. ọ bụkwa mmadụ idina onye abụghị di ya maọbụ nwunye ya n'ụzọ inwe mmekọrịta nke anụ ahụ. ụdị ndụ ọjọọ a na-eme ka alụmalụ rie mpe oge ọ bụla o buuru oche. ọnọdụ a sere elu n'akwụkwọ *Adaakụ* bụ ebe Adaakụ hapụrụ di ya n'ihi enweghị mmasị n'ebe ọ nọ wee laghachikwute enyi ya nwoke mbụ ya na ya na-enwe mmekọ.

Njoku: Mgbe ụfọdụ ana m eche ma nwa ahụ ọ mụrụ ọ bụkwa nke gị n'ihi na kemu kemu m na-anụ na-akọwa na nwata nwoke ahụ bụ onye ya na ya na-eme enyi tupu ọ lụọ gị (*Adaakụ* 58)

Site n'ụbọchị ahụ Ibekwe di Adaakụ natachara ozi ahụ Njọkụ ziri ya banyere nwunye ya, ọnọdụ gbanwere n'ime ụlọ ya, katakata si n'elu, si n'ala, iji gosi na alụmalụ ahụ eriela mpe.

N'ụdị ọzọ n'ime akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala* ka a hụtara ebe nwaanyị nọ na di na-akwa iko n'enweghị ihere ọ bụla n'anya. Nke a na-egosi iri mpe n'ihi na mgbe nwaanyị malitere ịgagharị n'ime ụmụ nwoke ndị ọzọ abụghị di ya gosiri enweghị egwu na nsọpụrụ n'ebe onye kwụrụ ụgwọ isi ya nọ.

Akụkọ si n'elu na-abịara Chike na nwunye ya nọ na di, ma ọ kaghị akwụna mma. Ndị maara Chike na-akọrọ ya na ebe nwunye ya na-apụkarị oriri ugbu a bụ n'ogige ndị amị *Isi akwụ dara n'ala* 79.

Ụdị agwa a Adaakụ kpawara ugbu a tụrụ Chike n'anya n'ihi etu ụbọchị siri dowe ihu.

Nwoke ibe m ji nwayọọ na-edi ihe bịara ya, maka na ọ maghị nke ọ ga-ekwu Ada ajụ inye ya ihe oriri ụbọchị ahụ. *Isi akwụ dara n'ala* 79

Igbo na-ekwu n'okwu sị na ihe mmadụ toruru oge ya abụghị ụsa mana mmadụ ime ihe o tofere ogo ya bụ nzuzu ka ibe ya.

**Oke Akpịrị**

Oke akpịrị bụ mmadụ ịchọ inweta ihe o nweghị site n'ụzọ ọ bụla n'agbanyeghị ihe nke ahụ ga-ebutere ya na ndụ. Ọnọdụ dị etu a buteere ndị dabara n'ime ya oke ihe egwu na ihe ize ndụ. N'agbanyeghị nke a ndị mmadụ achọghị ịma oge ọ bụla ha chọrọ ịchọta ihe obi ha na-achọ. Ha anaghị anọdụ ala ma nwee ike itule ihe ha na-achọ ihe o nwere ike ibutere ha na ndụ kama ihe na-eju ha isi bụ sọọsọ ka ọchịchọ obi ha mezuo. ọnọdụ a zipụtara onwe ya n' akwụkwọ *Isi kote ebu* bụ ebe Osuchukwu chọrọ nwaagbọghọ a bụ ọbịageli n'ụzọ ọ bụla n'agbanyeghị ihe ọchịchọ a nwere ike ibutere ya na ezinaụlọ ya.

Etu a ka ije mbekwu jiri garuo ala ụmụmmụọ siri bido (*Isi kote ebu* 10-11)

Ọ bụkwa otu oke akpịrị a mere o ji chọọ imetụ ọbịageli ọnụ n'agbanyeghị na o nwere ihe ka ya mma n'ime ụlọ ya.

Ndụ ka mma, a tatụ ụkwa a tatụ akị *Isi kote ebu* 10

Mgbe mmadụ na-achọ ihe abụghị nke ya, ndị Igbo kpọrọ ya oshi. Osuchukwu ịhapụ ihe o nwere n'ụlọ nke bụ ezigbo nwunye ya bụ Nkeiru wee pụta n'ama na-atatụ ụkwa na akị abụghị nke ya bụ ezigbo oke akpịrị na oshi. ọ bụkwa oke akpịrị a bụ ihe kpọchiri ya ntị mere na mgbe ọ matara na ọbịageli abụghị agwọ e ji akpụka mma egbu, o nweghị ihe o ji ya kpọrọ ruo mgbe ọ tara isi ya.

N'aka nke ọzọ, ọ bụkwa otu oke akpịrị a tiiri ezinaụlọ Chike na Ada aka ọjọọ. N'ebe a ka akpịrị ego mere ka Ada laa ezinaụlọ ya n'iyi. Ada bụ onye na-erila ego site na mgbe ọ lụbeghị di.

> Ego niile a na-akwụ ya n'ụgwọ ọnwa bụ maka iji chọọ onwe ya mma (*Isi akwụ dara n'ala* 2)

Nke a bụ iji gosi na Ada abụghị nwata n'egwu ọ maara agba. O metụla ego aka, riekwanụ ya ma nụkwa ụtọ ego. ọ bụghị sọọsọ nke ahụ, ọ bịakwara lụta di ji ego.

> Ụdị ego Chike nwere mere e ji etu ya osisi na-amị ego (*Isi akwụ dara n'ala* 53)

Ma ka ihe ụwa si adị, agha aghasaala ihe niile. Ada bụzi onye ji ego ugbu a ma na-achọkwanụ ya n'ụzọ niile n'ihi na ọ bụ aka ochie n'ihe gbasara iri ego na-emezi ma nke a na-eme eme na nke a naghị eme n'ihi akpịrị ego.

> Chike na-edi ihe niile nwunye ya na-eme ya, ma ọnụ Ada na-asọ ya, ma ije ọ na-eje na be ndị amị, ma agụụ ọ na-akwụwa ya oge ụfọdụ. (*Isi akwụ dara n'ala* 79)

Oke akpịrị ego emeela ka Ada leghara di ya anya n'agbanyeghị ihe nke a nwere ike ibute n'ime alụmalụ ya.

**Enweghị Nkwanye Ugwu**

Nkwanye ugwu bụ mmadụ ịsọpụrụ ibe ya n'ụzọ ọ bụla n'agbanyeghị ma onye ahụ ọ nọ ebe ahụ maọbụ na ọ nọghị ya. N'ụzọ ọzọ ọ bụkwa ụzọ mmadụ si egosi ịhụnanya n'ihi na onye mmadụ hụrụ n'anya ka ọ na-asọpụrụ.Nsọpụrụ na nkwanye ugwu bụ ihe na-aga aka abụọ n'ihi na onye na-enye nsọpụrụ ka nsọpụrụ na-eso. Alụmalụ so gbakwasa ụkwụ na nke a n'ihi na nwaanyị kwesịrị ịsọpụrụ di ya ebe nwoke kwesịkwara ime otu a maka na ebe ịhụnanya dị, nsọpụrụ anaghị akpa oke. Mana ọ bụghị oge niile ka ihe ụwa na-aga etu e si chọọ ya.

ọnọdụ adịghị etu e si chọọ ya na nkwanye ugwu gosipụtara onwe ya n'ime akwụkwọ *isi akwụ dara n'ala* bụ ebe Ada rere nkwanye ugwu na nsọpụrụ o kwesịrị inye di ya n'ahịa. Iji gosi na egwu ọ na-agba doro ya anya, otu ụbọchị ka enyi ya nwoke onyeamị chọọrọ ya bịa n'ụlọ ya, mgbe ọ batara n'ime ụlọ ka Ada gwara di ya Chike ka o buru nri ọ na-eri gaa nọdụ n'ala nkịtị n'ihi enyi ya nwoke bịaranụ.

> Chike wee welie ihu ya ka ọ mara ihe Ada na-akpoọrọ ya. Buru ihe oriri gị jee n'ala n'ihi na mụ na mmadụ nọ ebe a! *Isi akwụ dara n'ala* 142

Ada akpụọla isi chere mkpụrụ n'ụzọ niile bụ ịkwụsị nkwanye ugwu ya na ebe di ya nọ. ọ na-emezi ihe ọ bụla masịrị ya n'ajụghị ese. Onye ga-ekwu ebe ọ bụ ya ji igu ewu na-ata. Oge ụfọdụkwa o soro ndị enyi ya nwoke gawa ịgba egwu n'atụghị egwu di ya.

> Ka ha gbachara egwu, Ada sooro nwoke ahụ laa be ya. Anya a hụrụ ya ọzọ bụ ka ndị mmadụ gawachara ihe dị ha mkpa n'ụtụtụ. Onye ka ọ na-atụ egwu? Onye ga-agwa ya okwu? Di ya? Chike? (*Isi akwụ dara n'ala* 144)

A na-ekwu nke mere eme, nke ka njọ a na-emekwa. Ada jikwa mkpari ya na-asa di ya ahụ etu o si masị ya. Ka Ada batara n'ime ụlọ ya wee malite sawa di ya ahụ na mkparị n'ihi na o keleghị ya oge ọ batara

> Ka ọ na-azọbata ụkwụ n'ụlọ, Ada gbọwa ya ụja ka ebe nkịta na-agbọ ndị ohi (Isi akwụ dara n'ala 145)

Ugbu a Ada akparigidele di ya ma n'ezi ma n'ụlọ meziri na onye nụrụ aha Ada ya agbụpụ asọ, kpọọ n'ubu.

N'akwụkwọ *Isi kote ebu* bụ ebe ọzọ e nweghị nkwanye ugwu na nsọpụrụ sere elu. Igbo na-ekwu okwu sị na mmadụ na-ebu ụzọ akwanyere onwe ya ugwu tupu ndị ọzọ akwanyere ya. Ya bụ na mmadụ mee onwe ya ka akị, ụmụaka etie ya taa. Onye bupụta onwe ya ụmụaka adọsaa ya. N'eziokwu Osuchukwu jụrụ ịkwanyere onwe ya ugwu site n'enweghị njikọta nke onwe mere o ji na-esogharị nwa ọ ga-amụtali na nwa ka ọ bụrụ enyi ya nwaanyị.

> Ọ bụ eziokwu na nwata nwaanyị a dị naanị afọ iri na asatọ (*Isi kote ebu* 11)

Ọ bụkwa ugwu a, Osuchukwu akwanyeghị onwe ya mere nwantakịrị a bụ ọbịageli jiri wee mịa ya fịọ fịọ n'ego wee hapụ ya ọ tọgbọrọ chakọọ.

> O wee manye aka n'akpa ya, bupụta ugwu ego, ihe ọ di bu otu narị na iri abụọ, dọnye ya n'aka ọbịageli sị ya… nke a bụ nke gị. Ahụrụ m gị n'anya (*Isi kote ebu* 18)

Agwa ndị a Osuchukwu na-akpazi ugbu a socha na ihe ndị butere iri mpe n'ime alụmalụ ya maka na ego ndị o kwesịrị iji elekọta ezianụlọ ya ka o jizi na-elezi nwaanyị ọzọ n'ama. Enweghị nsọpụrụ na nkwanye ugwu sere elu ọzọ n'ime akwụkwọ *Adaakụ* na etu o si asa di ya bụ Ibekwe okwu n'ụzọ n'enweghị nsọpụrụ ọ bụla.

Adaakụ: (bata kwụrụ, gbanye aka n'ukwu) Abịala m. kedụ nke ị na-akpọrọ m ụdịrị oku a, e sepụ aka?

Ibekwe: (feere ya aka) Nọrọ ala n'oche na o nwere ihe m chọrọ ịhụ n'ahụ aja

Mgbe nwaanyị na-agbanye aka n'ukwu maọbụ kwanụ chee ihu n'ahụ aja wee na-asa di ya okwu, ihe ọ pụtara bụ enweghị nkwanye ugwu na nsọpụrụ n'ebe di ya nọ. N'ụdị ya ọzọ nwoke ịkụ nwunye ya ihe bụ akwanyeghị ugwu nye nwaanyị ahụ n'agbanyeghị ihe ọ bụla.

Ibekwe: (maa ya ụra aka abụọ, bido tiwe ya ihe)
Adaakụ, ị ga-ahapụ m aka ugbu a ka ọ bụ na ị gaghị ahapụ m? { makwa na egwu adịghị gị n'anya i jiri na-anyụ nsị ebe ọhịa ka gị elu? Nke a ọ bụ sọ awamanya? (Adaakụ bere akwa gaa nọrọ ala n'oche) *Adaakụ* 65

**Ọchịchọ nke Onwe**

Alụmdi na nwunye abụghị ihe otu onye. ọ bụ ihe ndị mejupụtara ya na-agbakọ aka ọnụ eme. ọ bụ ebe ịhụnanya kwesịrị ịchị eze ma bụrụkwa nke ga-akwado mgbakọ aka n'ọrụ. Nke a pụtara na ndị nọ n'ime alụmalụ ga na-achọ maka ọdịnamma nke onye ọ bụ ya na ya nakwa ezinaụlọ nke ha mụpụtara site n'alụmalụ ahụ. Ha kwesịrị ịdị na-agba obi ha ọtọ iji nye ohere ka onye ọ bụ ya na ha nwee ike ịmata otu ọ ga-esi tụnye oke nke ya site na-enyemaaka. Mana mgbe mmadụ nọ n'ime alụmalụ na-achọ sọ nke onwe ya na ihe ga-adị naanị ya mma, hapụ ọdịmma nke ndị ọzọ mara na alụmalụ ahụ eriela mpe. Okwu a pụtara ihe n'ime akwụkwọ *isi kote ebu*. Nke a mere oge Osuchukwu na nwunye ya gara ụlọ oriri na nkwarị ịgba egwu. Ebe ahụ ka Osuchukwu nọ wee hụ nwagbọghọ riri obi ya ma mgbe ha lọtara ọ jụrụ iwepụ obi ya n'ebe nwata nwaanyị ahụ nọ maka na ọ bụ ihe ọ chọrọ. O nweghị ihe gara emenụ ma ọ bụrụ na o wepụrụ obi ya ebe ahụ were ya dịka ihe mere n'oge ọgụ ma chekwa ihu n'ebe nwunye ya nọ. Alụmalụ ya gaara adịkwa n'udo dịka ọ dị na mbụ na-agakwa n'ihu. Mana ebe ọ bụ ọchịchọ nke onwe ya bụ ihe na-awa ya isi, ọ gara n'ihu ịhụ na o nwetara ihe ọ chọrọ bụkwanụ nke bidoro ime ka alụmalụ ya riwe mpe ruo na ọdịda ya kpamkpam.

Mgbe ndị ọrụ gbasara n'ụbọchị Nkwọ, Osuchukwu wee nyara ụgbọ ya gawa n'ụlọ ọbịageli. Ihe gbasara nwa agbọghọ a na-ama ya ọkụ n'obi. O wee machie n'ọnụ ụzọ Ọbịageli. *Isi kote ebu* 11.

N'ihi na Osuchukwu chọrọ imezu ọchịchọ obi ya mere o ji gbaa mbọ chọta ebe nwaagbọghọ ọ hụrụ n'ụlọ oriri na nkwarị bi wee chọrọ ya gawa na-echeghị echiche ihe nke a nwere ike ibute n'ime alụmalụ ya. nke a mere ka alụmalụ Osuchukwu dịrị etu ahụ Osuchukwu n'onwe ya chọrọ ka ọ dị.

**Ọghọm ụdị ọnọdụ a na-ebute n'ime ezinaụlọ**

- Ọ na-eme ka e nwee nkewa n'etiti di na nwunye
- Ọ na-eme ka a hapụ ịzụlite ụmụaka nọ n'ime ezianụlọ etu o kwesịrị.
- Ọ na-eme ka e nwee nkewa n'etiti ụmụaka nọ n'ime ezianụlọ n'ihi na ụfọdụ ga-ekwenyere nne ebe ụfọdụ ga-esoro nna ha.
- Ọganihu na udo anaghị adị n'ụdị ezinaụlọ ahụ.
- Ụdị ọnọdụ a, ọtụtụ oge na-ebute ọdịda alụmalụ
- Ọtụtụ oge ọnọdụ a na-ebute ọgbaaghara n'ime ezianụlọ.

**Ihe a ga-eme wee gbochie ụdị ọnọdụ ọjọọ a**

- Ndị nọ n'ime alụmalụ ga-ejidesi ịhụnanya ha hụrụ onwe ha ike.
- Ha ga-agbara ihe ọ bụla ga-ebute iri mpe n'ime alụmalụ ha ọsọ
- Ha ga na-agwa onwe ha eziokwu oge niile.
- Ha agaghị na-ebupụ onwe ya n'ezi oge ọbụla e nwere ntakịrị esemookwu.

**Nchịkọta**

Alụmdi na nwunye bụ ihe Chineke ji aka ya hiwe ka ọ bụrụ ihe ụtọ na ihe inye aṅụrị nye mmadụ. Ya bụ ka mmadụ kwanyere onwe ya ugwu n'ime alụmalụ iji mee ka ihe ụtọ dị n'ime alụmalụ dịgidesie ike dịka a tụrụ anya ya. ọ bụrụ na mmadụ emee nke a, alụmalụ niile ga-abụ ịgba ma kwụrụ chịm, ma bụrụkwa ihe ga-ebelata ọtụtụ nsogbu na-ebute iri mpe nke alụmdi na nwunye.

**Edensibịa**

Agbo, M.C. (2015). Posthumous Marriage in Igboland, South eastern Nigeria and its effects on development and education. *Journal of psychology and counselling*. 29-30.

*Baịbụlụ Nsọ Nhazi Katọlik* (1999). Onicha: Africana Publishers.

Chukwukere, F.N. (2023) ụmụigbo , ugbu a bụ gboo, ihe dara mmiri, ụkwụ ka e ji achọ ya. Humanities lecture series 5.23. Imo State University, Owerri Faculty of Humanities.

Gittins (1985). Structural theory of marriage whttps.//enwikipedia.org>wiki> Accessed 30/5/24.

Hleziphi, N. (2014). Female husbands without male wives: Women Culture and Marriage in Africa. www.ọsịsa.org. Accessed. 4/6/2018.

Ihentuge, F.A. (1981). *Isi Kote Ebu*. Ibadan: Macmillan Nigeria publishers.

Kalu, O, & Nwosu, H. (1978). *The study of African Culture Development*. Enugu: Fourth Dimension publishers.

Mogbogu, B. (1989). *Adaakụ*. Anambra: Pacific publishers.

Nwoko, K.C. (2012). Female husbands in Igboland: Southeast Nigeria. www.jpanafrican.org. Accessed 4/6/2018

Ogbalụ, F.C. (1979). *Omenaala Igbo.* Onitsha: University publishers.

Okereke, B.C. (2022). Invasion of Igbo Culture and Belief System by Modernization. *Igbo scholars International Journal of Igbo scholars forum Nigeria Vol. 15. No. 2 June 2002.*

Olekaibe, C.C. (2015). *Posthumous Festschrisft in Honour of Late Professor Romanus Obiora Ezeuko.*

Osuagwu, B.I.N. (1979). *Ndi Igbo na Omenaala ha.* Owerri: Macmillan Nigeria publishers.

Ubesie, T. (1973). *Isi Akwụ Dara n'Ala.* Ibadan: University press.